**JOURNAL OF LEADERSHIP AND DEVELOPMENT**

Volume 1, Number 2 (September, 2025)

ISSN: 1595-9457 (online); 3093-0618 (print)

**Website:** https://jppssuniuyo.com/jld **Email:** jppssuniuyo@gmail.com

**Received**: June 31, 2025 **Accepted**: August 26, 2025 **Published**: September 30, 2025

**Citation**: Isidienu, Ifeyinwa C. (2025). "Ọrụ Nka Dị Iche Iche e Nwere n'Ala Igbo: Mmepụta Na Nchekwa." *Journal of Leadership and Development*, 1 (2): 103-114.

**Article** **Open Access**

# ỌRỤ NKA DỊ ICHE ICHE E NWERE N'ALA IGBO: MMEPỤTA NA NCHEKWA

**Ifeyinwa Cordelia Isidienu**

Department of Igbo, African and Communication Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Email:** ic.isidienu@unizik.edu.ng

## DIFFERENT KINDS OF CRAFTS IN IGBO LAND: PRODUCTION AND PRESERVATION

**Abstract**

Anyone who is healthy should acquire a useful craft with which to earn a livelihood. Through crafts people can help themselves, support their families and contribute to the welfare of their communities. There is no society that promotes laziness. Farming, processing of food for preservation, animal husbandry, fishing, hunting, trading, and other crafts are what indigenous Igbo people do for livelihood. Before the coming of the Europeans, Igbo people had been using these crafts to sustain themselves and meet their daily needs. Recently, interests in the crafts are dwindling due to neglect. This study is aimed to revive the methods of producing and preserving some of these crafts and to also draw people's attention to them. Data were collected through oral interview and observations. The study will help in promoting Igbo heritage which is rooted in Igbo crafts. Preservation of Igbo crafts is a good opportunity that will benefit Igbo communities and the world at large.

**Ụmi Edemede**

Onye ọbụla ahụ siri ike na-enweriri ọrụ nka bara uru o ji akpata ihe o ji ebi ndụ. Site n'ọrụ nka ka mmadụ ji enyere onwe ya aka, na-azụ ezinaụlọ ya, ma jiri ya na-ahụ maka ọdịmma obodo ya. O nweghị agbụrụ na-akwado umengwụ. Ọrụ ugbo, ịhazi nri maka nchekwa, ịkpa ụmụ anụmanụ, ịkụ azụ, ịchụ nta, ịzụ ahịa, na ọrụ nka ndị ọzọ bụcha ihe ndị Igbo na-eme iji kpata ihe ha ji ebi ndụ n'oge gboo. Ọrụ nka ndị a nwere ụzọ dị iche iche e si emepụta ha, ma bụrụ ezi ohere e si enweta akaọrụ. Tupu ndị ọcha abata ala Igbo, ndị Igbo ji ọrụ nka ndị a

***Copyright** © 2025 By* JLD. **Publishers:** Omega Books

This is an open access article which permits unrestricted use provided the work is properly cited.

akwado onwe ha ma na-egbokwa mkpa dịịrị ha. Ugbu a inwe mmasị n'ọrụ nka na-adaghachi azụ n'ihi nleghara. Nchọcha a bụ iji kpọlitekwa mmepụta ọrụ nka ndị a, kpọghachite uche ndị mmadụ azụ n'ebe ha dị. E ji ajụjụ ọnụ na nleruanya wee chịkọta ihe e ji mee nchọcha a. Nchọcha a ga-eme ka ewulite ihe nketa ndị Igbo, nke hibereisi n'ọrụ nka ha. Ichekwa ọrụ nka ndị Igbo bụ ezigbo ohere nke ga-abara obodo niile dị n'ala Igbo na ụwa dum uru.

**Ndubanye**

E nwere ụlọ ọrụ a na-esi na ha emepụta ụdị ọrụ nka dị iche iche na mpaghara ala Igbo dum. A bịakwa n'ime obodo dị iche iche a ga-ahụkwa ụlọ ọrụ ọgbara ọhụrụ ebe a na-emepụtakwa ngwa ụfọdụ mana ha adịkebeghị ọtụtụ ka ụlọ ọrụ ebe mmepụta ọrụ nka ndị Igbo. Imepụta nka bụ ihe bara uru nke ukwuu n'ihi mkpa ọ na-egbo, tinyere na ọ bụ akarangwa dị na gburugburu ka e ji akwara ngwaọrụ ma were ha na-emepụtakwa ihe n'ụzọ dị mfe.
Ụlọ ọrụ mmepụta ihe nke ọgbara ọhụrụ na-esi n'akarangwa rụgharịa ihe, ma mekwaa ka ọ dị n'ụdị ihe ọzọ a chọrọ ka ọ dị. Mana a bịa n'ụlọ ọrụ mmepụta ọrụ nka dị iche iche, e wezuga ụfọdụ n'ime ha dịka imepụta garị nke a na-esite n'akpụ wee mepụta, ọtụtụ ụlọ mmepụta ọrụ nka anaghị agbanwe kpamkpam akarangwa e ji emepụta ihe ka ọ pụta ihe n'ụdị ọzọ. N'agbanyeghị nke a, ma tinyere n'ụlọ ọrụ mmepụta nka dị ọtụtụ, ọtụtụ ndị Igbo anaghị enye ya nkwado kwesịrị e kwesị, nke a butere oke nleghara anya a na-eleghara ha. Ọ bụ ya ka o ji dị mkpa ịchọpụta etu e si emepụta ma na-echekwa nka dị iche iche ka ọrụ nka wee werekwa ọnọdụ dị elu maka ọdịmma mmadụ nakwa uto obodo.

**Mpụtara Ọrụ Nka**

Ọrụ nka bụ nrụpụta ihe dị mma ga-abara ndị mmadụ uru site n'iji aka rụpụta ihe maọbụ site n'iji akụrụngwa dị mfe. Isidienu (2023:9) kọwara na onye na-arụ ọrụ nka ka a na-akpọ omenka. O kwuru na, "Ihe niile ndị omenka ji arụ ọrụ bụ na gburugburu ha ka ha si eweta ya. Ọ bụzị ekpemekpe ndị, akụnaụba ha, na ụdị mmekọrịta na-adị n'etiti ọhanaeze na-egosi ụdị akụrụngwa na ụdị ihe ndị omenka ga na-emepụta na ụdị mma a ga-achọ ya." Isidienu, (2023) gakwara n'ihu kọwaa "n'ọrụ nka bụ iwepụ maọbụ ịkpụchapụ ihe ndị a chọghị maọbụ akụkụ adịghị mkpa n'osisi, igwe maọbụ okwute, dgz., iji wee kepụta maọbụ mepụta ihe a chọrọ."
Ọrụ nka agbụrụ na-apụta ihe n'omenala ha, ọ bụ ya mere na onye ọbụla chọrọ ịmụ maka agbụrụ maọbụ ịchọpụta etu agbụrụ si bi ndụ ha n'oge gboo ga-enyocha ọrụ nka ha ji bie ndụ n'oge ahụ. Ọ bụ ya mere na wee rukwaa ugbu a, a ka na-esi n'ọrụ nka enyocha ka agbụrụ si ebi ndụ ha. Ihe ọzọ dị mkpa bụ na ọrụ nka ndị na-adabere n'ụzọ ndụ ha. E lee anya na ndụ ndị Igbo a ga-achọpụta n'ihe niile ha na-eme na ndụ hibereisi n'ekpemekpe, ọ bụzị etu ahụ ka ọrụ nka ha si gbanyekwa mkpọrọgwụ n'ekpemekpe ha.

Dịka e kwuru na mbụ n'ọrụ nka bụ iji aka maọbụ ngwa ọrụ dị mfe wee mepụta ihe mara mma ga-abara ndị mmadụ uru ma bụrụkwa ihe dị na gburugburu ka e ji arụpụta ya; ọ bụ n'ihi nke a ka ihe arụpụtara ji bụrụ otu n'ime ihe e ji ama agbụrụ. Ndị ọrụ nka na-abụ ọkaibe n'ọrụ ha maka na ha na-enwe nka ha bụ ọkachamara na ya. Anozie (2003: 133) kọwara na ọrụ nka "pụtara mmadụ ijiri anya ọka mepụta ihe ga-abara ya na ndị ọzọ uru. Ọ bụ ọrụ onye nwere obi umeala na-arụ. A dịghị achata ọrụ ime nka n'akwụ, maọbụ wata ya n'anya." Ndị ọrụ nka na-ahafezị ọrụ nka ndị a site n'ọgbọ rue n'ọgbọ. Ọmụmaatụ ọrụ nka bụ: ihe ọkpụkpụ, ihe e ji osisi rụọ, ihe e ji igwe rụọ, ihe ọkpụkpa, ihe e ji akpụkpọ rụọ, ikwe akwa na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Ruskin na Morris (nd.) na-ekwu na ụdị ọrụ nka e nwere bụ a gụkata agba a waa, n'ihi na ha ga-eru narị n'ọnụọgụ ma ọ bụrụ na ha e rughị puku ma a gụwa ha ọnụ. Ọrụ nka ndị ha gụpụtara bụ ikwe akwa, ọrụ nka ndị e ji osisi arụ, ndị e ji akwụkwọ arụ, ịkpụ ihe ọkpụkpụ, ndị e ji igwe arụ, na ndị ọzọ dịka ịkpa nkata, ịrụpụta mmanya, ịmachi akwụkwọ, iji akpụkpọ, ise ihe, dgz. N'otu aka ahụ Egwim (2023) kwuru na ọrụ nka bụ mmadụ

iji aka nkịtị mepụta ihe. O sịrị na ọ bụ mgbe mmadụ wekọtara ihe dị iche iche tikọọ ya ọnụ, wee mepụta ihe pụrụ iche dị ebube.

Ọrụ nka bụ ngalaba ndị na-arụ ya na-enwe ike chepụta ihe a ga-arụ, rụpụta ihe ahụ ma nwekwaa ike ree ihe ha rụpụtara. Ha na-enwe aka nka pụrụ iche nke na-eme ka ha nwee ike isite n'akụrụngwa dị iche iche mepụta ihe dị mma. Ndị ọkachamara n'ọrụ nka na-arụ iji nweta ego kwa ụbọchị. Ụfọdụ ndị ọrụ nka ji ọrụ ha mere ọrụaka ha na-arụ kwa ụbọchị, ebe ụfọdụ n'ime ha nwere ọrụ ọzọ ha ji mere ọrụaka, ma na-arụzị ọrụ nka ha bụ ọkaibe na ya ma ohere dapụtara ha. Ihe ọ pụtara bụ n'ụfọdụ ndị mmadụ ji ọrụ nka mere ihe ha ji anọrị oge. Ha achọghị itinye oge ha niile n'iji rụpụta ọrụ nka ha n'ihi na ha enweghị ohere ime nke ahụ maọbụ na ha enweghị mmasị na ya. Encyclopedia (2021) chịkọtara njirimara ọrụ nka n'ụzọ a,

i. Omenka bụ onye nwere ikike ịchịkwa na ịhụzu ihe ndị ahụ e ji aka arụpụta, ma ngwa ọrụ ma igwe e ji arụ ọrụ.
ii. Ihe a na-arụpụta na-adị ka chi si kee ya, a naghị enwe akụrụakụ maọbụ ngwarangwara na adịgboroja.
iii. Ihe a rụpụtara na-egosikwa na ọ bụ ụdị akarangwa e ji rụọ ya ka ọ bụ. Ọ dịghị mgbe a na-enyo enyo ụdị akarangwa e ji rụpụta ihe.
iv. Omenka na-ejikwa akarangwa dị mma ma bụrụ ọkaibe mgbe ọ na-arụpụta ihe.
v. Ihe a rụpụtara na-abụkwa ọ pụrụ iche.

**Ụlọ ọrụ ebe a na-emepụta ihe dị iche iche**

E nwere ụlọ ọrụ ebe mmepụta ihe dị ụzọ ise n'ala Igbo. Ha bụ ụlọ ọrụ ebe a na-ekwe akwa, ebe e ji osisi arụpụta ihe, ebe a na-ahazi nri maka nchekwa, ebe e ji igwe arụ ọrụ na ebe a na-eji ahịhịa, mkpọrọgwụ na ihe ndị ọzọ emepụta ọgwụ.

**Ụlọ ọrụ na-ekwe akwa**

Ụlọ ọrụ na-ekwe akwa bụ owu bụ isi sekpụ ntị n'ihe e ji arụpụta ọrụ. E weta owu atụgharịa ya wee kpaa ihe dị iche iche. Ụlọ ọrụ a na-esijikwa akwa site n'ite ya ụdị agba dị iche iche. Usoro e si ekwe akwa bụ e weta owu atụgharị ya na yaanụ (yarn), ihe ọzọ bụ ọkpụkpa na itezị ya agba (dying). Ndị ama ama n'ọrụ ikwe akwa n'ala Igbo bụ ndị Akwete na Steeti Abia, tinyekwara ọtụtụ obodo dị n'okpuru Ọchịchị Ukwa na Steeti Abia. N'ezie ikwe akwa pụtara mmadụ iji aka maọbụ igwe mepụta akwa site n'owu. N'oge gboo, ndị na-ekwe akwa na-eji owu nke osisi owu maọbụ nke ndị obodo ụfọdụ na-akpọ mkpụrụ na-amịta ekwe owu. A na-akụ osisi owu akụ n'ihi na ọ na-enwe obere mkpụrụ. Ọ bụ n'ọkọchị ka e ji aghọ ya, e wepụchaa mkpụrụ ya, gbaa owu n'anwụ, bịazịa fịọ ya ka ọ dị n'ụdị eriri, e were ya kwee akwa. Owu na-adị ọcha. A na-aghọ ya naanị otu ugboro n'afọ nke mere na a na-akọ ya nnukwu ka owu ọ na-amịta wee nọọ ọdụ. A bịa n'ebe a na-ekwe akwa, onye na-ekwe akwa na-ewere ntu kụnyesịa n'elu osisi a kwọchara nke ọma were owu ahụ o ji ekwe akwa konyesịa na ntu ndị ahụ. O nwekwara osisi nke na-adị n'ala ha na-ekedokwa owu ahụ ha kodoro na ntu. Ọ bụ ya ka ha na-adọ aka iji wee kpaba owu ahụ n'ụdị ikwe akwa, Anozie (2003: 133-134).

**Ụlọ ọrụ ebe e ji osisi arụpụta ihe**

Ndị Igbo ji osisi arụpụta ihe dị iche iche, mana ọ bụghị osisi niile ka e ji arụpụta ihe, ọ bụ osisi ndị siri ike anaghị agba ụtụ ka e ji arụpụta ihe. Ha gụnyere osisi menaila, osisi oji, osisi ufii, osisi iroko, osisi akpu, dgz. Ihe ndị ahụ e ji osisi arụpụta bụga: ngwa egwu, ngwa ekpemekpe, isi mmọnwụ, ngwa e ji ahazi nri maka oriri na nchekwa, ngwa e ji arụ ụlọ na nke e ji ebi n'ụlọ, ngwa ekike na nke ndị echichi, ngwa e ji achụ nta na nke e ji akụ azụ, oche umuakwukwo, akpati akwukwo, ọnụ ụzọ, ebe nkobe akwa, oche nwaanyị nọdụrụ okwu, tabulu, dgz. Isidienu

(2014:178) rụtụrụ aka n'ihe Okodo (2013:100) kwuru, sị na ndị ji osisi arụ ọrụ na-arụpụta ihe dị iche iche dị ka ụzọ, oche, ikwe na aka odo na ihe ndị ọzọ. Ndị Abo Mbaise so n'obodo ji osisi arụ ọrụ, nke otu n'ihe ha na-arụpụta bụ ikwe na aka odo. Dịka Anozie (2003: 133) siri kwue, "Ụdị ọrụ nka ọzọ bụ ihe ọtụtụ. Ndị na-atụ ihe ọtụtụ na-atụ odo na aka odo. E ji odo asụ ihe dịka ụtara na ihe ofe, ha na-atụkwa ọkwa e ji agwọ nri dịka ji maọbụ ọkwa e ji esu ose." Ndị na-atụ ihe ọtụtụ na-atụkwa ihe ndị ọzọ dịka ụdị ọnụ ụzọ dị iche iche, ekwe, ikwe akwụ, eku e ji ete ofe, dgz. N'otu aka ahụ, Ekwealor (1998:74) kwuru na "Iji osisi tụọ ihe ọtụtụ bụkwa ụzọ ndị Igbo si achụ nta akụnaụba. Ha na-atụ ihe dị iche iche dịka isi mmanwụ, ikenga, okpesi, ọkwa, ikwe (odo),dg."

Ndị a gbara ajụjụ ọnụ kwuru n'usoro e si e ji osisi arụpụta ihe bụ na a ga-ebu ụzọ gaa n'ọhịa gbutuo ukwu osisi ndị ahụ anaghị agba ụtụ ma berisie ya n'ogwe n'ogwe, ihe ga-adị ka ama ụkwụ asatọ wee ruo n'ama ụkwụ iri na abụọ. A ga-akpụchapụsị azụ ogwe osisi ahụ, a ga-ewere igwe sọọ (saw) berizịa ha n'ụdị plankị maọbụ bọọdụ ka arọ wee daba n'ihe a chọrọ iji ha rụọ. A ga-ahapụzị osisi ahụ ka ọ kpọọ. A ga-edote ha ebe anwụ ọchịcha na mmiri ozuzo agaghị na-emetụta ha. A gaghị ekwe ka ọ gbaji, gbawaa maọbụ gbaa ụtụ. Nke a mere a ga-eji zeere ịdọsa ha ebe akịka dị. Ha gara n'ihu kwue n'oge nke a gasịsịrị, a ga-akpụchazị osisi ndị ahụ nke ọma, mee ka ahụ ha kwọọ mụrụmụrụ ma bepụta saịz osisi a ga e ji were ruo ihe dị iche iche dị ka oche, ụzọ, dgz., a ga-ahụkwa na osisi ahụ kpọrọ akpọ nke ọma ka ihe a ga-eji ya rụọ wee sie ike, ghara ịgbagọ, gbajie maọbụ mebie. Ụfọdụ osisi na-anọ ọnwa ole na ole tupu ha akpọọ, ebe ụfọdụ osisi na-anọ ruo ọnwa anọ tupu ha akpọọ. Mgbe e besịrị osisi ndị ahụ a na-eji ntu were kụkọọ ha ọnụ ka o wee sie ike nke ọma. Oge ụfọdụ a na-eji gọm were mado ha ka o sie ike ma ọ bụrụ na a chọghị iji ntu were kụdo ha.

Ụfọdụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ kwukwara na ọ bụrụ ọnụ ụzọ ka a chọrọ ịrụ na a na-ewere osisi basara abasa kpụchaa ya nke ọma iji mepụta ụzọ, oge ụfọdụ a na-atụ ihe ọtụtụ n'ahụ na n'ihu ọnụ ụzọ ahụ iji chọọ ya mma. Ọ bụrụ oche ọgbara ọhụrụ nke a na-akpọ kushọnụ (cushion) ka a chọrọ ịrụpụta a ga-ewere osisi, jiri ntu maọbụ gọm (gum) wee kụkọọ ya ọnụ, werekwa akwụkwọ siri ike nke a na akpọ katọnụ (Cotton) wee gbakirido n'ahụ ya, werekwa fom (foam) mado ya n'ahụ, bịazie were akwa mara mma were machie ya, nke a ga-eme ka ọ maa mma nke ukwuu. Ndị ọrụ nka ji osisi arụpụta ihe na-ejikwa osisi arụpụta igbe dị iche iche. Akarangwa ha ji arụpụta ihe bụga: hama, ntu, ihe eji ebe osisi (saw), ihe eji akpụchasị osisi (smoother), gọm, wdg. Ha na-ejikwa agbọ arpụta ihe dị iche iche dị ka iko e ji aṅụ mmanya, ihe e ji achọ mma, ụdị akpa dị iche iche e ji akwanye ngwongwo, afere, ogologo ngaji e ji eku ofe na nke e ji ese nri, dgz.

**Ụlọ ọrụ ebe e ji aja ọtọ na ụrọ arụpụta ihe**

Ndị Igbo ji aja ọtọ ewu ụlọ n'oge gboo, werekwa ya na-akpụpụta iche dị iche iche. E ji ụrọ akpụ ite mmiri na akpụrụakpụ ndị ọzọga. Obodo ndị ama ama n'ịkpụ ite n'ala Igbo bụ Inyi nke dị n'Oji Riva, Eha-Alumona dị na Nsụka, Ishiagụ na Ụnwana dị n'Afikpo, Ezinnachi dị n'Ọkịgwe na Ibeku na Afara dị n'Ụmụahịa. N'ime obodo ndị a, ọ bụ Ishiagụ kacha akpụpụta ite n'ebe ọ dị ukwuu. Anozie (2003: 133) kwadoro n'ọrụ nka ọzọ bụ "ịkpụ ihe ọkpụkpụ dịka ite, ọkụ na udu. Aja ụrọ ka e ji akpụ ihe ọkpụkpụ. A kpụchaa akarangwa ndị a, e tinye ha na nnukwu ọkụ ka ha sie ike." Ọ gara n'ihu kwue na ndị e ji ịkpụ ite mara bụ ndị Isiagụ nke Steeti Ebọnyị na ndị Ọha imezi na Ọha Ndịagụ dị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, bụ ndị na-akpụpụta ite ebe ọ pụtara ihe. Ite a na-akpụ na-adịga n'ụdị dị iche iche, ma ndị obere ma ndị nnukwu. A na-eji ite ndị a echu mmiri, were na-agbanye mmanya, were na-gbanye nri ndị na-adị na mkpụrụ na mkpụrụ maka nchekwa, e jikwa ite egbunye akpụ na ijikwa tinye nri a ga-adọwa otu ebe site na ya were na-ekunyere ndị mmadụ nri. E ji ọkụ agwọ ihe ọgwụgwọ maọbụ iji

gwee ose, ma jiri udu na-eti egwu. E jikwu aja ụrọ akpụ mkpanaka a na-etinye uri ọkụ e ji ahụ ụzọ n'oge abalị, ma werekwa ya na-akpụ udu e ji eti egwu.

**Iji akụkụ ahụ anụmanụ mepụta ọrụ nka**

E jikwa akpụkpọ anụ, ajị anụ, ọkpụkpụ, mpi na okpokolo anụ arụpụtakwa ihe dị iche iche dị ka: e ji akpụkpọ na ajị anụ arụpụta akpa, obo mma, ngwa dị iche iche e ji agba egwu, ute, dgz. A na-esite n'ọkpụkpụ anụ na-arụpụta aka, mkpọ, ihe olu, mgbaka, tinyere ndị a na-agba n'ụkwụ ọkachasị nke ndị chiri echichi na-agba. A na-esikwa na mpi anụ emepụta iko e ji aṅụ mmanya na nke e ji aṅụ mmiri, na ndị nnukwu ite (nwa ite) e ji etinye fulawa.

**Ụlọ ọrụ ebe a na-ahazi nri maka oriri na nchekwa**

Ndị Igbo nwere ụlọ ọrụ dị iche iche ebe a na-ahazi erimeri. Ihe ndị ahụ a na-ahazi bụ ihe ndị ọrụ ugbo kọpụtara n'ugbo. Dị ka BBC News Igbo (2022) si kwue, "Ọrụ ugbo bụ otu ụzọ ndị mmadụ nwere ike isi nwete ego ma kwalite akụnaụba ha mana ụfọdụ na-eleghara nke a anya." Ihe ndị ahụ ndị ọrụ ugbo na-akọpụta bụ nri ndị na-emepụta site na mkpọrọgwu dị ka ji, akpụ, ede na nduko. Nri ndị na-adị na mkpụrụ na mkpụrụ dị ka ọka, akwụ, akị oyibo, tomato, ogili na egusi. Nri ọzọ a na-echekwa bụkwa ogede, dgz. Ọ bụrụ na a hazie nri ndị a, a na-esi na ha mepụta ụdị nri ndị ọzọ dị iche iche dị ka:

**Akpụ:** Nri ndị e si n'akpụ enweta bụga: nri akpụ, garrị, ntụ akpụ na alịbọ, abacha, akpụ mmiri. BBC News Igbo (2018) kwuru na, "Akpụ bụ nri a na-erikarị na mpaghara Afrịka, Asia na Saụtụ Amerịka makana ọ dị ebe niile dịkwa ọnụala n'ebe ndị a." Ha gakwara n'ihu kwuo na e nwere akpụ na-atọ ụtọ, nwekwaa akpụ na-elu ilu; akpụ na-atọ ụtọ nwere kemikal sinaid na-erughị 50mg n'otu kilogram ebe akpụ na-elu ilu nwere sinaid ruru 400mg n'otu kilogram.

**Usoro e si emepụta nri akpụ**

N'ala Igbo akpụ enweghị oge a na-ewepụtara ya iche sị na ọ bụ mgbe e ji na-adụnye ya n'ala, maka na ọ na-eme nke ọma mgbe ọ bụla a dụnyere ya, (Ubesie, 2004:135). Akpụ kaa, a ga-ebu ụzọ vọpụta ya n'ala, were mma bechapụ azụ ya, sachaa ya, gbujisie ya, banye ya na mmiri ka ọ nọọ mkpụrụ ụbọchị anọ ka o wee dee ma dịkwa nro. A ga-eji nkata, akpa na mmiri wee nyọọ akpụ ahụ. A yọsịa akpụ, e kechie akpa akpụ ọnụ, dote ya n'otu akụkụ, dọkwasa ihe dị arọ dị ka okwute n'elu ya ka o wee gụchaa mmiri ọsịịsọ. Mmiri dị n'akpụ ahụ gụpụsịa, e nwezịrị ike iji ya sie nri akpụ. Ụfọdụ ndị mmadụ bidebere mmiri nso a naghị ebechapụ azụ akpụ tupu e gbunye ya na mmiri; kama ha na-asacha akpụ ahụ, gburisie ya, jezie n'ogwugwu akpụ ha gbunye ya na mmiri dọ n'ime ogwugwu ahụ. Ha na-eji aka ewechapụ azụ akpụ ahụ mgbe ha na-ayọ akpọ.

**Usoro e si emepụta garị**

A ga-ebu ụzọ vọpụta akpụ n'ala, were mma bechapụ azụ ya, sachaa ya, fọọ ya n'akpa maọbụ paanụ, buga ya na njin ebe a ga-akwọ ya. A kwọsịa akpụ garị, a wụnye ya n'ime akpa, dọnye na njin ga-apịchapụ ya mmiri, ọ kpọọ, a hapụ ya ka ọ nọọ mkpụrụ ụbọchị abụọ. Nke a gasịa e were myọ yọọ garị ahụ. Ihe ga-esote bụ ịghee garị. A ga-emenwu ọkụ n'akwụkwa dọkwasa agbada, ọkụ e ji eghe garị na-adị mma ka ọ na-enwu obere obere ka garị ghara ịgba ọkụ. Agbada dị ọkụ a wụnye garị n'ime ya na-akpagharị ya ganye na o ghee nke ọma. Ka e si ama na garị egheela bụ, a chịrị ya n'aka, ọ gaghị adị nro, kama ọ ga-esi ike n'aka maọbụ kpọọ a kpọọ. E kupute garị n'agbada, a gbasaa ya nke ọma, ka ọ wee kpọsie ike. Garị kpọọ nke ọma, a gbaa ya n'akpa maka oriri, ire n'ahịa na nchekwa.

**Usoro e si emepụta ntụ akpụ na alịbọ**

E were mma bechasịa akpụ a bụpụtara n'ugbo, a sachaa akpụ ahụ, gbujisie ya, banye na mmiri ka ọ nọọ mkpụrụ ụbọchị abụọ. A ga-agụpụta akpụ ahụ na mmiri ka mkpụrụ abalị abụọ gasịrị, gbaa ya n'anwụ. Ọ kpọọ nke ọma, a gwọọ ya na njin, a ga-echere ka ọ jụọ oyi nke ọma, tupu a ga-eji gbaa ya n'akpa, dowe maka oriri, ire n'ahịa maọbụ nchekwa.

**Usoro e si emepụta abacha**

E weta akpụ, e bechapụ azụ ya, sachaa ya, sie ya n'ọkụ ihe dị ka nkeji iri na ise maọbụ karịa. A fọtue ya, a zapụ ya mmiri, chere ka ọ jụlata oyi, mgbe ahụ, a ga-ejizị mma wee na-ebe ya ma ọbụrụ akpụ mmiri. Ọ bụrụ abacha, a ga-eji grata wee bee ya ka o wee dị zịlịzịlị maọbụ yọlịyọlị. A ga-abanye ya na mmiri ka ọ nọọ otu mkpụrụ ụbọchị, a ga-asacha ya nke ọma site n'ịsa ya ugboro ugboro. Nke agasịa, a gbaa ya n'anwụ. Ọ kpọọ nke ọma, a gbaa ya n'akpa maka nri, ire n'ahịa na nchekwa.

**Ji:** Nzeako (1979:136) kwuru n'ihe a na-akpọ "ji bụ Ihejiọkụ. Ụfọdụ na-akpọ ya Ajọkụ, Ufiejiọkụ maọbụ Hịajiọkụ. Ji bụ isi nri ndị Igbo malite n'oge ochie. Ọ bụ otu ụzọ ndị mmadụ ji amata onye bụ ọgaranya." Ọ gara n'ihu kọwaa na etu ndị mmadụ siri egosi ụba ha bụ ọba ji ole ha nwere, etu ọba ji ahụ si dị ogologo na etu ji mmadụ gwuputere n'ugbo ya siri buo ibu. Dịka Osuji (2009) siri kọwaa, ji bụ njirimara omenala na ọdịnala Igbo ma bụrụkwa isi mkpụrụ akụkụ nke ndị Igbo na-eri. O doro anya na n'ala Igbo e nwere ọtụtụ mkpụrụ akụkụ dịka ọ dị na mba ụwa dum. Ma a bịa na ndụ ndị Igbo, ji bụ akụkụ pụtakarịchara ihe, (Ọnụkawa, 2020:145). Nri ndị a na-emepụta site na ji bụ nri ji na ntụ ji na alịbọ ji.

**Usoro e si emepụta nri site na ji**

E weta ji, a bachapụ azụ ya, berisịa ya, sinye ya n'ọkụ. Ọ bụrụ na ji ahụ eghee, a fọtue ya, gụnye ya n'ikwe sụọ, ọ bụrụ na a sụrichaa mkpụrụ ya nke ọma, sụọ ya ka o jekọọ ọnụ nke ọma, a kọnyezịa n'afere maka oriri. A bịa n'imepụta ntụ ji, a ga-abacha ji, berie ya kịrịkịrị, sachaa ma wunye n'ime ite ka e sie ya nkeji ole na ole. Nke a gasịa a wụpụta ya na myọ, gbaa ya n'anwụ ka o wee kpọọ nke ọma, nke a gasịa, a kwọọ ya na njin, ọ jụọ oyi, a gbaa ya n'akpa maka oriri na nchekwa.

**Ede:** nri ede, ntụ ede na alịbọ ede

**Usoro e si e ji ede emepụta nri**

Ọ bụrụ imepụta nri ede, a na-ejikarị isi ede asụ nri ede. A ga-ebechapụ azụ isi ede ahụ, bewaa ha, sachaa wee sinye n'ọkụ. O ghee nke ọma, a gụpụta ya na mmiri, tinye n'ikwe sụọ. N'ihi na ede na-adị nnukwu nro, ọtụtụ oge a na-asụkọ ya na akpụ, ka o wee kwe ọpịpị n'aka,ghara ịdị na-anya anya n'aka. A bịa n'imepụta ntụ na alịbo ede, a ga-abacha ede, sachaa ya, bee ya kịrịkịrị mana ọ ga-abụ okirikiri ka a ga-ebe ya. A ga na-agba ede ahụ n'anwụ ganye na ọ kpọọ nke ọma. A ga-agba ya n'akpa maka nchekwa. Ọ bụ ede mkpọ a ka e ji esi achịcha ede, jirikwa ya na-esi ofe mgbe ede dị ụkọ n'ahịa site n'ịkwọ ya akwọ ka ọ dị n'ụdị pawụda.

**Ọka:** nrị ọka, akamụ na ntụ ọka

**Nri ndị e si n'ọka emepụta**

Mgbe a chọrọ imepụta nri ọka maọbụ akamụ, a ga-eweta ọka tụcha, rịọcha, sachaa, banye ya na mmiri otu ụbọchị maọbụ mkpụrụ ụbọchị abụọ. A ga-agbakwa mgbọ na-asa ya ma na-agbanwe ya mmiri ụtụtụ na mgbede. A ga-eje na njin gwọọ ya, were ịchafụ e ji arịọ akamụ rịọ ya. Nke a gasịa, e kunye ya n'akpa akamụ ka mmiri wee gụpụsịa, akamụ ahụ kpọọ, a chọọ

ịṅụ ya, e webiri ole a chọrọ, e were mmiri oyi gbarie ya, were mmiri ọkụ na-asụ asụ gbee ya. Ọ bụ ọka a yọrọ a ayọ ka e ji ese nri ọka, agaghị etinye ya ọtụtụ mmiri, a ga-awụnye ya n'ite na-akpagharị ya, wee rue na o sie ike. Ọ bụrụ imepụta ntụ ọka, a ga-eburu ọka kpọrọ nkụ nke ọma, gaa na njin kwọọ ya ka ọ dị n'ụdị pawụda. A ga-echere ọ jụọ oyi, a gbaa ya n'akpa maka erimeri na nchekwa.

**Ọgede:** ntụ ọgede
A na-emepụta ntụ ogede site iweta ọgede, sachaa, bechapụ azụ ya, berie ya kịrịkịrị, gbaa ya n'anwụ ka ọ kpọọ nke ọma. A ga-akwọ ya na njin, chere ọ jụọ oyi, a gbaa ya n'akpa maka nri na nchekwa.

**Ogiri:** ogiri

**Ka e si esi ogiri**
E weta mkpụrụ ogiri, a kụwasịa ya, tụchaa ya, sachaa ya nke ọma, wụnye n'ite sinye n'ọkụ na-ewusi ike, a ga-esi ya ihe dị ka elekere anọ tupu o wee ghee nke ọma. Ọ bụrụ na a taa ya eze, ọ dị ezigbo nro, a mara na o gheela nke ọma. A ga-ahapụ ya n'ite ahụ ka ọ nọọ mkpụrụ ụbọchị abụọ. Nke a gasịa e weta akwụkwọ ụkwa kpọrọ nkụ wee gbaa ntụ, site n'itinye ya n'agbada ghee ya eghee, ọ ghọrọ ntụ. A ga-awụnye ntụ akwụkwọ ụkwa ahụ n'ogiri ahụ kpagharịa ya, mee ka ha jekọọ ọnụ nke ọma. Ọ bụ ntụ ụkwa ahụ na-eme ka ogiri na-eji oji. A ga-awụnyezị ogiri ahụ n'ikwe sụọ ya nke ọma, maọbụ kwọọ ya na njin. Nke a gasịa, e kee ogiri ahụ n'akwụkwọ maọbụ gbaa ya na mkpọ maka oriri na nchekwa. Ndị Igbo kwuru n'okwu sị na "Ogiri na-esi isi mana, ọ na-atọ ụtọ n'ofe."

**Nkwụ:** mmanụ nri, ude akị, na ncha nkọta

**Mmanụ nri**
E gbutue akwụ chara acha dị n'elu nkwụ, e bukọọ ya ọnụ ka ọ nọọ abalị abụọ. A ga-eji mma gbuputesịa akwụ dị n'ogbe isi akwụ, werezịa aka nwosisie akwụ ahụ ka o wee dị na mkpụrụ akwụ na mkpụrụ akwụ, a ga-asacha akwụ ahụ, wụnye ha n'ite, gbajuo ya mmiri, sinye n'ọkụ, kwanye ya ezigbo ọkụ, a ga-esi ya ihe dịka elekere abụọ, o ghee, e kunye ya n'ọkụ, paanụ maọbụ akpa, buga na njin ebe a ga-asụ ya. Njin sụchaa akwụ, e bugazịa ya na njin ọzọ ga-apịchapụta mmanụ. A pịchapụtasịa mmanụ, e were myọ chiri anya zaa mmanụ ahụ iji zachapụ ahịhịa nwere ike ịdabanye na mmanụ ahụ mgbe a na-akpịchapụta mmanụ. Ọ jụọ oyi, a gbaa ya na galoonụ maka oriri na nchekwa. Akịdị, Ayọzie, Mgborogwu & Amajioyi (2020: 60-61), kọwara n'ogbe akwụ bụ ebe uru dị na nkwụ gwụrụ. "N'ogbe akwụ ka e si enweta mkpụrụ akwụ, aghịrịgha, ishishi, ogbe akwụ dg. Akwụ ka a na-asụ tụọ ya wepụta akị na abịrịbọ. Abịrịbọ ka a na-apapụta mmanụ buru ibu karịa ịpa ya mgbe ọ jụrụ oyi." Ha kwuru na n'ụmụ kịrịkịrị akịrịka fọrọ ka a papụtachara mmanụ ka a na-akpọ upurutu. Upurutu ka a na-agwakọ ya na abịrịbọ wee kpụọ ogbenyedịmbụ e ji amụ ọkụ e ji ahụzọ n'abalị, e jikwa ya na-achọ ejule n'abalị. Ha sịrị, na mmanụ e nwtara n'akwụ ka a na-eji eri ji, agwọ jiakpụ, agwọ ji, ete ofe na nri ndị ọzọ dị iche iche, na a ga-ahọta ahọta nri ndị a naghị eji mmanụ nri esi. Ha kwukwuru na a na-ete mmanụ nri n'otito ka o wee ruruo gbaa abụ ọsọọsọ, a na-aracha mmanụ maka ụkwara. A na-ere mmanụ were enweta ego.

**Ude akị**
Ihe eji emepụta ude akị bụ akị. Ọ bụrụ na asụchaa akwụ a ga-esi n'abụbụ họchapụta akị, tie akị ahụ iji kewapụta ya n'ichere akị. A ga-asacha akị ahụ wụnye ya na myọ ka ọ gụchaa mmiri. A ga-asacha agbada, mewue ọkụ, ma kwanye ya ọkụ ka ọ na-enwusi ike. A ga-adọkwasa

agbada ahụ n'elu ọkụ ka mmiri dị na ya kọọ, a ga-eburuzị akị ahụ wụnye n'ime agbada, akị ahụ dị ọkụ nke ọma e jiri mkpagha nke e ji osisi wee mepụta na-akpagha ya ka o wee ghara ịgba ọkụ, a ga-ahụkwa n'ọkụ na-enwusi ike. A ga na-akpagha ya wee ruo ihe dị ka otu awa ka ude akị dị n'ime akị ahụ wee pụtasịa. Ụde akị ahụ pụtasịa, a ga-eweta afere n'abụghị nke rọba, weta myọ igwe dote n'elu afere ahụ, a ga-afọtu agbada ahụ, wụnye akị ahụ na ude akị ọ gbapụtara n'ime myọ igwe ka o wee zapụta ude akị. Dịka Akịdị, Ayọzie, Mgborogwu & Amajioyi (2020:61), siri kwue, "Akị nkwụ ka a na-eti were ya taa jiakpụ, ụkwa, garị, akara jiakpụ, dg. A na-eji akị emepụta ude akị e ji agwọ ụkwara, ihe mkpatụ, ihe ize, dike ukwu. E ji afịrịfị fọdụrụ n'akị azụ anụmanụ. E sikwa n'akị esipụta mmanụ e ji eghe ihe, esi osikapa, dg."

**Ncha nkọta**

Ihe e ji emepụta ncha nkọta bụ aghịrịgha akwụ. Ọ bụrụ na-esi n'isi akwụ gbuchapụtasịa akwụ, a ga-ahapụ ebe ahụ e si gbuchapụta akwụ bụ aghịrịgha akwụ ka ọ kpọọ a kpọọ nke ọma. Ọ kpọọ, e bukọzịa aghịrịgha akwụ ọnụ, sunye ya ọkụ. Ọ gbasịa ọkụ nke ọma, a hapụ ya ka ọ nọọ ihe dị ka mkpụrụ ụbọchị abụọ ka o wee jụọ oyi nke ọma. A ga-ahụ akụkụ na-ewu ọcha n'aghịrịgha nkwụ ahụ a kpọrọ ọkụ, ọ bụ ndị ahụ na-ewu ọcha ka e ji eme ngụ e ji agwọ abacha na nke e ji e si ụkwa na ihe ndị ọzọ. Akịdị, Ayọzie, Mgborogwu & Amajioyi (2020:61), chọpụtakwara na ọ bụ "aghịrịgha nkwụ ka ana-akpọ ọkụ wee nweta ngụ e ji agba ncha e ji agwọ ihe dịka ji, jiakpụ, ede, akịdị, agwa, ndudu, dg." Ha kwuru, na e jikwa "ngụ na mmanụ esipụta ncha nkọta. Osisi nkwụ maọbụ ogwe nkwụ ka a na-awa were arụ ụlọ, akụ gbamgbam, e ji ogwe nkwụ egbochi idiyi, dg, A na-erekwa osisi nkwụ ere wee nweta ego."

Ọ bụrụ na ekupụtachaa ngụ n'aghịrịgha nkwụ a gbara ọkụ, a ga-ekponyezị ntụ aghịrịgha nkwụ ahụ n'ime paanụ, bute agbada, weta osisi atọ maọbụ anọ siri ike tụkwasacha n'elu agbada ahụ. A ga-ebute nkata dọkwasa n'elu osisi ahụ, were akwa sachite n'elu nkata ahụ, a ga-agbanye mmiri n'ime ntụ aghịrịgha akwụ ahụ kpagharịa ya, wee buru ya wụnye n'ime akwa ahụ a sachitere n'elu nkata ka mmiri si na ya apụta wee zanye n'ime agbada. A ga-eburu agbada ahụ sinye n'elu ọkụ emewuru emewu na-enwusi ike. A ga-ahapụ ya n'ọkụ ka mmiri ahụ wee taa. Okorie, (2021) kwuru na mmiri dị na ntụ aghịrịgha akwụ ahụ taa, e bute mmanu nri wụnye n'ime ya, na-akpagharị ya, ka a na-akpagharị ya, a ga-ahụ ya ka ọ na-eko, ọ siri na o kogige a ahụzịa na o gheela a fọtuzie ya. A fọtue ncha nkọta n'ala, a ga-eweta akwa, a kọbiri ncha nkọta, a kọnye n'ime akwa ahụ, kpụọ ya okirikiri tinye n'ime ọkụ sara mbara, etu a ka a ga-esi megide wee kpụsịa ncha nkọta ahụ. E dobezịa ya maka ire n'ahịa, nchekwa na iji mee ihe dị iche iche.

**Akị oyibo:** mmanụ akị oyibo na ude akị oyibo

E weta ogbe akị oyibo ole na ole, e gbuwaa ha, ghụpụta uku-ụmị dị n'ime ya. A sachaa ya, berisịa ya kịrịkịrị, tinye ya mmiri wee gwọọ ya na njin. A gwọsịa ya, e were myọ chiri anya zapụta mmiri ya, e nwekwara ike werekwa ịchafụ wee zaa ya ọzọ iji hụ n'ahịhịa akị oyibo a kwọriri akwọrị adịghị n'ime ya. A ga-esinye ya n'ọkụ ka mmiri niile dị n'ime ya tachaa. Mmanụ akị oyibo ga-esezị n'elu, e were myọ igwe chiri ezigbo anya wee zaa ya nke ọma ka ọ hapụ inwe ihe ga-adanye n'ime ya. A ga-agbazị ya n'ololo maka erimeri na nchekwa.

**Ukwu nkwụ :** A na-esi na nkwụ enweta ezigbo mmanya e ji eme ụfọdụ omenala n'ala Igbo. Mmanya nkwụ bụ isi sekpụ ntị e ji eme omenala alụmdi na nwunye. Nkwụ dị ụzọ abụọ; nkwụ nkịtị na nkwụ ojukwu. Nkwụ nkịtị bụ nke mkpụrụ akwụ ya na-acha mmeemmee. Mgbe ụfọdụ, ahụ ya na-acha mmeemmee ebe ọnụ ya na-eji oji. Akwụ ojukwu bụ ndị mkpụrụ ya na-acha edoedo, mgbe ọ ka na-acha acha, ahụ ya na-acha edoedo, ọnụ ya na-acha akwụkwọndụ akwụkwọndụ, (Akịdị, Ayọzie, Mgborogwu & Amajioyi 2020:61).

**Mmanya ọkụ** (Ogogoro, Akpeteshie, Egun Inu Igo, kaị kaị)
Mmanya ọkụ bụ na nkwụ ọcha ka e si emepụta ya. Ọ bụ n'ukwu nkwụ ka e si enweta nkwụ ọcha e ji emepụta ogogoro. A na-ete ukwu nkwụ ete iji nweta nkwụ. Ngwa e ji ete nkwụ bụga: (i) ete, nke otenkwụ ga-eji rigoo elu nkwụ, ete ga-esikwa ezigbo ike, ka o wee nwee ike ibudosị otenkwụ ike, (ii) obe maọbụ oghere e gbunyesịrị n'ukwu nkwụ bụ ebe otenkwụ ga na-azodo ụkwụ mgbe ọ na-arigo elu, (iii) mmaoge bụ nke ọ ga-eji gbupụ ụfọdụ igu ma werezịa mmaekwu kpọpue oghere ebe mmanya ngwọ maọbụ nkwụ ga-esi na-agbapụta n'ahụ ukwu nkwu, (iv) a ga-echenyezị karama (galọọnụ) a ga-eji cheta nkwụ n'oghere ahụ, were osisi ọtọsị e bewara ebewa maọbụ pịịpụ chenye n'oghere nkwụ, mezịa ka ọ banye n'ọnụ galọọnụ ahụ, ka mmanya ghara ịdị na-aghafu n'ala. A ga-ahapụ galọọnụ ahụ ka ọ nọọ ọtụtụ ụbọchị iji hụ na mmanya ọ ga-agbata ga-ebu ibu. Otenkwụ ga-ejikwa ete ya rịghachi elu nkwụ iji butue mmanya ahụ ma ọbụrụ na mmanya hiri nne abajuela n'ime ya. Ọ ga-adọwa mmanya ahụ maka ọṅụṅụ na ire n'ahịa.

Ka a wee mepụta ogogoro, a ga-agbanye nkwụ ahụ emepụtara ọhụrụ na nnukwu ọkụ maọbụ dụrọn nke a ga-eji naịlọn dị arọ wee kechisie ọnụ ya ike ka ikuku ghara ịba n'ime ya, ya na ka o gbochie anwụ ịchaba n'ime ya, ma mekwaa ka ọ na-ajụ oyi, ọ ga-emekwa ka nje nwere ike imebi nkwụ ahụ ghara ịba n'ime ya. A ga-ahapụ nkwụ ahụ ka ọ nọọ ihe dị ka otu izu ụka ka o wee gbaa ụka. A ga-ejizị mkpagha nke osisi siri ezigbo ike kpagharịa nkwụ ahụ nke ọma ka o wee jekọọ ọnụ n'ihi na nkwụ ahụ ga-aza n'ike dụrọn ahụ, sie ezigbo ike ma na-achatụ mmeemmee. N'ihi nke a, a ga-ewetakwa nnukwu ọkụ maọbụ dụrọn ọzọ nke a ga-eji na-agbanye ya ma a na-akpagharị iji hụ na ọ jekọrọ ọnụ nke ọma. A ga-eburuzị nkwụ ahụ gbara ụka a kpaghara nke ọma wụnye n'ime dụrọn e ji igwe rụọ dọ n'elu ekwu ọkụ na-enwusị ike. A ga-akwanye ya nnukwu ọkụ, ma hụ n'ọkụ ahụ na-enwusị ike ma gharakwa ịnyụ anyụ. Ogogoro ahụ ga-esizị na pịapụ igwe a rụnyere na dụrọn ahụ gafere nnukwu ọkụ e ji osisi mepụta agbajupuru mmiri, wee banyezịa n'ime ọkụ e ji rọba wee rụpụta. Ọkụ ahụ e ji osisi rụpụta mmiri dị na ya, na-eme ka ogogoro ahụ jụọ oyi tupu ọ banye na ọkụ nke rọba. A ga-agbazị ogogoro (mmanya ọkụ) ahụ na galọnụ e ji rọba rụpụta maka ire n'ahịa na nchekwa.

**Ụlọ ọrụ ebe e ji igwe emepụta ihe dị iche iche**
Ebe a bụ ụlọ ọrụ na-agbaze igwe, ọla kọpa na iberibe ọla ndị ọzọ, iji rụgharịa ya maọbụ iji rụpụta ihe ndị e ji achọ mma. Ndị ji igwe arụ ọrụ na-arụpụta ngwa ofufe dị iche iche, tinyere ma mkpọ ndị echichi na-eji. Ihe ndị ọzọ ha na-arụpụta bụ ngwaọrụ dị iche iche e ji akọ ụgbo, ndị e ji achụ nta, ndị eji akụ azụ, ndị e ji esi nri, ndị e ji eje agha, na ọtụtụ ihe ndị ọzọ dị ka ihe e ji eme mmemme. Dịka o si kwupụta ya n'asụsụ bekee, Emeghara (2014: 148-149) sịrị na,

> Igbo blacksmiths produced varieties of tools to suit each occupation and profession. They forged hoes (ọgụ), machetes (mma), axes (anyịike) and diggers (mbazụ), used by farmers. They provided the wood carver with axes, scrappers and carving knives; supplied razors (agụva) and specialized chisels to teeth fillers and body sacrificators. They supplied spear, traps, hunting bells, hooks, arrowheads and guns to the hunters and fishermen. They provided domestic utensils such as kitchen knives (mma ekwu), forks/spoons (ngaji), tripods (ekwu igwe), ladles, and needles to the housewives. Other items they produced were honourific regalia such as jingle bells, title staffs, anklets, pendants and so forth.

Ihe Emeghara (2014) kwupụtara n'elu ebe a na-akọwa na ndị ọkpụ ụzụ n'ala Igbo na-emepụta ihe dị iche iche nke ndị ọrụ aka na ndị ọkachamara na-eji arụ ọrụ. Ha na-akpụpụta ihe ndị ọrụ ugbo ji arụ ọrụ dị ka ọgụ, mma, anyike na mbazụ. Ha na-akpụkwa ngwa ọrụ ndị ji osisi arụpụta ihe ji akwara ngwa ọrụ dị ka mma ekwu, anyike, ihe e ji

akpụcha osisi. Ha na-akpụkwara ndị na-egbu ichi na ndị na-apị eze agụba na ụdị chịzụlụ ha ji arụ ọrụ. Ndị na-achụ nta ka ha na-emepụtara ube, mkpakana, mgbịlịgba, egbe, ma na-arụpụta ukpoo na ihe ndị ọzọ ndị na-akụ azụ ji arụ ọrụ. Ha na-emepụtakwa ngwa ndị e ji esi nri n'ụlọ dị ka mma ekwu, ngaji, osiite, eku, na aga ndị odoziakụ ji akwachi akwa. Ihe ndị ọzọ ha na-emepụta bụ ma ọla olu na ọla aka, mkpọ ndị chiri echichi na-eji na ihe ndị ọzọ e ji achọ mma.

N'otu aka ahụ Ogbalu (1981: 253) kwuru na "N'oge gboo ndị Igbo na-akpụ ụzụ. Ọ bụ ha na-akpụ ọgụ, mma na ihe ndị ọzọ e ji arụ ọrụ ugbo. Mana ugbu a, ọ bụ mmadụ ole na ole na-akpụ ụzụ. A maghị ihe kpatara na ndị mmadụ enweghị mmasị maka ọlụ a ọzọ". O kwukwuazịrị na ndị ụzụ na-akpụ ọgụ, mma, anyike, akụkọ/akwụkwa, osiite na ihe ndị ọzọ e ji arụ ọrụ ubi. A maara ndị Ọka na Nkwere Ọpị Egbe dị ka ndị e ji ịkpụ ụzụ wee mara n;ala Igbo. Ihe ọzọkwa ndị ụzụ na-arụpụta bụ mkpọnala, mkpọnanị, ntụala maọbụ egbenduru a na-agba ebe mmadụ nwụrụ maọbụ mgbe ọbụla nnukwu ihe mere. Akịrịka, (2020) kwuru na ọ bụ nsị egbe ka e ji agba mkpọnala, na ọ bụ kemịkalụ dị iche iche ka a gwakọrọ ọnụ iji rụpụta nsị egbe. O kwuru na mkpọnala bụ igwe ndị na-akpụ ụzụ na-emepụta. E werezịa nsị egbe sụjuo n'igwe ahụ, e were obere aja wụchịe n'elu ya, nke bụ na ọ bụrụ na-ejighi aja wuchie ọnụ mkpọnala, a mara na mkpọnala ahụ agaghị agba. A ga-asụjuriri nsị egbe n'ime mkpọnala, wụnye ya aja, sụkwaa ya a sụa, a ga-asụnye mkpọnala n'ebe a ga-anọ gbaa ya, werekwa nsị egbe wụsasịa okiriiri mkpọnala, wụsakwa ya ogologo niile ebe mkpọnala ahụ dị ka ha wee metụta onwe ha. Onye na-agba mkpọnala ga-etinye ya ọkụ ma were ọsọ gbapụ.

**Ihe ịma aka n'ihu cheere ọrụ nka aka mgba**

Otu nnukwu ihe cheere ọrụ nka aka mgba bụ na ebe e si enweta akarangwa e ji emepụta ọrụ nka dị iche iche bụ n'ihe dị na gburugburu ka e si enweta ha; mana ugbu a, ụzọ ichekwa na ijikwa ọhịa n'ụzọ ọgbaraọhụrụ, ịkọ ugbo n'ụzọ ọgbaraọhụrụ, mkpa iwu ọtụtụ ụlọ n'ihi ụbara mmadụ na-ewerezị ọnọdụ n'ebe e si enweta akarangwa ndị a. N'ihi nke a, inweta akarangwa e ji mepụta ọrụ nka bụzịnnọọ ihe na-enweta ihe ịkpọ ụkwụ n'ụzọ dị egwu. Iji maa atụ, ndị Gọọmentị na-ejikwa ma na-echekwa ụfọdụ ọhịa ka a hapụ igbu osisi dị na ha, ka ụdị osisi ahụ ghara ikpochapụ kpamkpam, ihe ọzọ na-ewetakwa ijikwa ọhịa bụ ka ndị dinta ghara ịba na ha wee gbuchapụ anụmanụ niile dị n'ime ọhịa ahụ. Ihe ọzọ bụ na ụfọdụ ndị ọkaibe n'ọrụ nka dị iche iche, a naghị enwe mmasị n'ihafe ọrụ nka ha n'aka ọgbọ na-esote ha tupu ha a laa mmụọ, nke a na-eme na a naghị enwe ọtụtụ ndị maara ka e si arụ ụdị aka ọrụ ahụ n'ọgbọ ndị na-esote ha. Ụfọdụ ọrụ nka bụ naanị n'obodo a na-emepụta ha ka a maara ha, n'ihi na ọ naghị agakebe ahịa na mpaghara obodo ndị ọzọ, n'ihi ya, ezinaụlọ ọbụla ji maka ihe nka ha na-arụpụta kwaje obodo ọzọ ka ha nọrọ mepụtawa nka ndị ahụ maka ịchụ nta ego na-anọ n'ihe isiike n'ihi na ihe nka ha agaghị aga ahịa.

Ihe ọzọ bụ na ọtụtụ ndị omenka hapụrụ aka nka ha na-agbaje n'obodo mepere emepe ịchọ ọrụ bekee ma hapụzịa ọrụ nka ha n'ime ime obodo. Tinyere na ndị ntorobịa nọ ugbu a na-ahụzị ọrụ ugbo ka ihe ndị okenye nọ n'ime obodo ya na ọrụ ndị amaghị akwụkwọ. Ọ bụladị ndị nke gụrụ ihe gbasara ọrụ ugbo n'ụlọ akwụkwọ, bụ ha gụchaa pụta, onye ọbụla na-achọzị ọrụ Bekee. Ọtụtụ ndị gụrụ akwụkwọ bụkwa ndị na-enye ndị nne na nna ha nọ n'ime obodo iwu ka ha hapụ ọrụ ugbo n'ihi na ha akpatala ego ka ọ hapụ ịdị ka nne na nna onye nwere ego na-aga ọrụ ugbo. N'otu aka ahụ o nwezịghị onye na-enwe mmasị n'ihe ndị a na-akọpụta n'ime obodo. Onye ọbụla chọzịrị ihe ndị ahụ si na mba ọzọ ndị ebubatara, n'ihi na ọ bụ otu ụzọ e si ama ọgaranya na ndị ma ihe ekwe na-akụ, (Olekaibe, Eweoma & Mgborogwu, 2020: 63). N'otu aka ahụ ụfọdụ ndị mmadụ ejighị ọrụ nka ha maara arụ nke ọma mere aka ọrụ kama ha na-arụ ya ma ohere dapụtara ha. Nke kachasị wee dị njọ bụ

n'ọtụtụ ndị Igbo anaghịkwu enwe mmasị n'ọrụ nka ha n'oge ugbu a. Ọtụtụ ejighi nka ha kpọrọ ihe ọbụla. Tinyere na ndị gọọmentị anaghị akwado ọrụ nka ndị a maọbụ nwee ụzọ e si agba ndị na-emepụta nka dị iche iche ume. Ụdị ọnọdụ dị etu a so eweta ndaghachi azụ n'ọrụ nka ndị Igbo n'oge ugbu a.

**Ụzọ a ga-esi kwalite ọrụ nka n'ala Igbo**

Ndị Gọọmentị kwesịrị ịnabata ọrụ nka, mepekwaa ọtụtụ ụlọ ọkpụ ebe a ga na-eme ngosi ihe nka ndị a, ma site n'ụzọ dị etu a na-egosipụta ya n'etiti ọhanaeze. Ha ga-akwado ọrụ nka ndị a site n'iji ego na akarangwa dị iche iche, nke a ga-eme ka ndị omenka nọ n'ime ime obodo ghara ịgbahapụ ọrụ nka ha wee chọrọ ọrụ bekee gawa n'obodo mepere emepe. O kwesịrị ka e wepụta ụzọ dị iche iche a ga-esi kpọlitekwa ọrụ nka ma nye ya nkwado zuru oke. A ga-agbakwa ọtụtụ ndị omenka ume ka ha wee nwee obi ike ha ga-eji na-arụ ọrụ ha na-aga n'ihu mana arụkwa ya n'ụzọ pụrụ iche. Nke ga-eme ka ndị ọzọ sonye n'ịmụ na n'ịmepụta ọrụ nka.

Ndị Igbo niile kwesịkwara iji ọrụ nka ha kpọrọ ihe ma na-akwalite ya n'ụzọ pụrụ iche. N'oge gboo, onye Igbo ọbụla maara ka e si akọ ugbo na ka e si echekwa ihe a kọpụtara n'ugbo, n'ihi ya ka o ji dị mkpa na ndị Igbo laghachiri azụ na njirimara ha, ka agụụ ya na enweghị akaọrụ wee belata. Ọ bụrịị eziokwu n'ihe gbasara enweghị ezi nchekwa ndụ na akụnaụba na-emesi ndị Igbo ike n'oge ugbu a, mana a gaghị ejiri maka mgbagbu wee ghara ọgụ. Ndị Igbo ga-amalite ịkọ ugbu azụ ụlọ nke a na-ekwusi ike maka ya n'oge ugbu. Ha ga-amalitekwa iji akpa kpojuo ya aja wee kọpụta ihe dị iche iche. Iji aja dị n'akpa kọọ ihe na-eme ka e were obere ala mmadụ nwere kọpụta ihe buru ibu. Ọ bụkwuazị eziokwu n'ịgụ akwụkwọ na-achịzị n'oge ugbu a, mana a chọpụtala n'ọtụtụ ndị gụrụ akwụkwọ anaghịzị enweta ọrụ bekee bụ ebumnobi ha ji agụ akwụkwọ, ya mere na ndị Igbo kwesịrị ka ha sapee anya nke ọma, n'ihi na-ebugharị oche, ebugharị ọnọdụ. N'ihi ya, ọ bụrụ n'ụmụaka na-agụ akwụkwọ, ka ndị nne na nna tinyekwue ha n'ebe dị iche iche ha ga-amụ ọrụ nka, ka o wee nyere ha aka na ndụ.

**Nchịkọta**

Nchọcha a gosiri n'ọrụ nka ndị Igbo dị nnukwu mkpa n'ihi na ọ bụ otu ụzọ e si enweta akaọrụ mmadụ ji ebi ndụ na nke o ji arụpụta ọrụ n'obodo. Ọrụ nka ndị a nwere ụzọ dị iche iche e si emepụta ha ma na-ahazikwa ha maka oriri na nchekwa. Ọrụ nka gbanyere nnukwu mkpọrọgwụ n'omenala Igbo ma bụrụ otu n'ime ụzọ e si echekwa njirimara ndị Igbo. Ụfọdụ n'ime ọrụ nka ndị a bụ ikwe akwa, ndị e ji osisi emepụta bụ osisi ndị anaghị agba ụtụ ka e ji arụpụta ihe dị iche iche, ndị a na-enweta site n'ihe a kọpụtara n'ugbo ka e ji emepụta ụdị nri dị iche iche, chekwaa ha maka ọdịnihu, tinyekwara ọtụtụ ọrụ nka ndị ọzọ. Nleghara anya na enwetaghị enyemaka gọọmentị so eme ka ọrụ nka ndị a na-alaghachi azụ. Ọ bụrụ na ndị Igbo niile tinye uchu n'ọrụ nka ha, ọ ga-eme ka ụkọ ọrụ na agụụ belata; wulite omenala Igbo na nke ụwa gbaa gburugburu.

**References**


Akịdị, F. C., Ayọzie, C. R., Mgborogwu, A. C. & Amajioyi, G. N. (2020). "Osisi Nkwụ: Ngwaa na Aha Ndị Gbasara Ha." *Enyo: Jọnal Otu Ndị Ji Edemede Akwalite Asụsụ na Omenala Igbo*. Onitsha: Busybrain Enterprises Services.

Akịrịka, J. (2020). "Mkpọnala – Egbe ike na-emete mmụọ na mmadụ n'ụra." https://www.bbc.com Accessed 24/4/2025.

Anozie, C. C. (2003). *Igbo Kwenụ. (Akụkọ na Omenala Ndị Igbo).* Enugu: Computer Edge Publishers.

BBC News Igbo, (2018). "Nri dị iche iche e si n'Akpụ Emepụta." https://www.bbc.com Accessed 2/4/2025.

BBC News Igbo, (2022). "Etu e si Emepụta 'Rubber' na Nnukwu Ugbo nke Izombe, Imo Steeti." https://www.bbc.com Accessed 2/4/2025.

Egwim, M. (2023). "On Meaning of Craft." https://www.headteacher.com.ng Accessed 4/6/24.

Ekwealor, C.C. (1998). *Omenala na Ewumewu Ndị Igbo.* Onitsha: Palma Publishers.

Emeghara, E.E. (2014). "Manufacturing and Trade in the Igbo Traditional Society." *Igbo Scholars International Journal.* Suleja: Besing Books.

Encyclopedia, (2021). "Definitions of Craft and Giftware." https://www.worldhistory.org Accessed 4/6/24.

Isidienu. I. C. (2023). *Nka na Akaọrụ ndị Igbo.* Onitsha: Durability Prints.

Isidienu. I. C. (2014). "Igbo Traditional Occupation and the Sustenance of the Modern Man." *Ideal International Journal of Igbo Scholars Forum*. Suleja: Besing Books.

Nzeako, J. U. T. (1979). *Omenala Ndị Igbo.* Lagos: Longman Nigeria.

Ogbalu, F.C. (1981). *Ndụ ndị Igbo.* Onitsha: University Press.

Okorie, F. (2021). "How to make black soap: Lee etu e si emepụta ncha nkọta e ji agwọ ọkọ dị iche iche." https://www.bbc.com Accessed 23/4/2025.

Olekaibe, C.C., Eweoma, B. N. & Mgborogwu, A. C. (2020). "Arụmọrụ Ji N'Ala Ngwa: Ntụle Nke Ugbu a na Nke Gboo." *Ọdịbendị: A Journal of Igbo Consciousness.* Onitsha: New Life Press.

Ruskin,W, and Morris, W. (nd.). "Crafts: History & Types." https://www.visual-arts-cork.com Accessed 4/6/24.

Ọnụkawa, E. N. (2020). "Mpụrụiche Jin a Nkwenye Ndị Igbo." *Ọdịbendị: A Journal of Igbo Consciousness.* Onitsha: New Life Press.

Osuji, C. (2009). *Foundation of Igbo Tradition and Culture.(Revised Edition).* Owerri: Opinion Research and Communication.

Ubesie, T. (2004). *Ọdịnala Ndị Igbo*. Ibadan: University Press.